| | |
|---|---|
| Aha Iwu: | Enyemaka nke ego nlekọta ahụike (HFA) |
| Ọnụọgụgụ Iwu: | Iwu na Usoro 502 |
| Ngalaba: | Ego |
| Ebe na Arụ ọrụ: | Ego |
| Onye kwadoro ya: | Bọọdụ ndị Nduzi nke ụlọ ọrụ, Bon Secours Mercy Health, Inc. |
| Ubochi o Bidoro: | 3/1/2020 |
| Vashọn: | 1.0 |
| Ọnọdụ iwu: | Akwadoro |

## I. Iwu (*echiche dị elu*)

Dịka koodu IRS nkebi 501(r) siri mepụta, iwu HFA nkea metutara ihe mberede niile na nlekọta ahụike ndị ozo dị mkpa nke ndị ulọ-ọgwụ ndị Bon Secours Mercy Health edepụtara na okpuru na enye, ya na ndị ozo na-enye nlekọta n'ihe mberede na nlekọta ahụike ndị ozo dị mkpa na ulọ-ọgwụ ndị Bon Secours Mercy Health.

## II. Nzube (*Isi ozi atọ*)

N'uzo ọrụ ya iji meziwanye ahụike ndị obodo, na iwepụta mkpachapụ anya pụrụ iche n'ebe ndị ogbenye na ndị erughị eru nọ, ya na n'ime mmụọ nke ọgwụgwọ nsọ nke mgbasa ozi Jesu, ndị Bon Secours Mercy Health tinyere onwe ha n'iwepụta enyemaka nke ego iji gboo mkpa dị na obodo, n'agbanyeghị agbụrụ, afọ, okike, obodo ọmụmụ, mba si mba, nwa amaala, asụsụ mbụ, okpukperechi, agụmakwụkwọ, ọrụ ma ọ bụ ọnọdụ nwata akwụkwọ, agwa, mmekọrịta, mkpuchi ahụike, ọnọdụ obodo, ma ọ bụ ịkpa oke ọ bụla dị iche.

Enyemaka nke egọ maka nlekọta ahụike ("HFA") bụ atụmatụ nwere nkwado ego zuru ezu n'aka ndị Bon Secours Mercy Health. Ọ na-ekpuchite ndị ọrịa n'enweghị mkpuchi nlekọta ahụike ya na ndị n'enweghị mkpuchi nlekọta ahụike zuru ezu (ya bụ ndị enweghị mkpuchi na ndị mkpuchi ha ezughi ezu) ndị ruru ugwọ ọnwa na ntozu m̀bụrụna gasị akọwara ebe a.

## III. Ọgba (*ndị ọnụọgụgụ mmadụ iwu a metutara*)

Iwu HFA nke a metụtara ndị ụlọ ọgwụ ndị Bon Secours Mercy Health ndị a nke dị na mba United States of America ("USA") ma ọ gụnyeghị ụlọ ọgwụ ọbụla nke na-adịghị na mba United States:

Cincinnati
- Mercy Health - Anderson Hospital
- Mercy Health - Clermont Hospital
- Mercy Health - Fairfield Hospital
- The Jewish Hospital - Mercy Health
- Mercy Health - West Hospital

Kentucky
- Mercy Health - Lourdes Hospital

- Mercy Health - Marcum and Wallace Hospital
- Bon Secours - Our Lady of Bellefonte Hospital

Lima

- Mercy Health - St. Rita's Medical Centre

Lorain

- Mercy Health - Lorain Hospital
- Mercy Health - Allen Hospital

Springfield

- Mercy Health - Springfield Regional Medical Centre
- Mercy Health - Urbana Hospital

Toledo

- Mercy Health - St. Vincent Medical Centre
- Mercy Health - St. Charles Hospital
- Mercy Health - St. Anne Hospital
- Mercy Health - Defiance Hospital
- Mercy Health - Tiffin Hospital
- Mercy Health - Children's Hospital
- Mercy Health - Willard Hospital

Youngstown

- Mercy Health - St. Elizabeth Youngstown Hospital
- Mercy Health - St. Elizabeth Boardman Hospital
- Mercy Health - St. Joseph Warren Hospital

Richmond

- Bon Secours - St. Francis Medical Centre
- Bon Secours - Richmond Community Hospital
- Bon Secours - Memorial Regional Medical Center
- Bon Secours - St. Mary’s Hospital

Rappahannock

- Rappahannock General Hospital

Hampton Roads

- Bon Secours DePaul Medical Center
- Bon Secours Mary Immaculate Hospital
- Bon Secours Maryview Medical Center
- Bon Secours Health Center at Harbour View

South Carolina

- St. Francis Downtown
- St. Francis Eastside
- St. Francis Millennium

Southern Virginia

- Bon Secours Mercy Health Petersburg LLC*
- Bon Secours Mercy Health Emporia LLC*
- Bon Secours Mercy Health Franklin LLC*

* Iwu HFA a dị irè bido na Jenụwarị 1, 2020 maka ụlọ ọgwụ ndị a ka na-echere ịmezu azụmahịa ihe onwunwe.

IV. Nkọwa Iwu (*Ndị isi Nkwado*)

Nkwa iji nye nlekọta ahụike mberede:

Bon Secours Mercy Health na-enye, na-enweghị ịkpa ókè, nlekọta ọnọdụ ahụike mberede ọ bụla nye ndị mmadụ n'agbanyeghị ma ha etozuru etozu maka enyemaka n'okpuru iwu HFA a. Ndị ụlọ ọgwụ Bon Secours Mercy Health agaghị etinye aka na omume na-akụda mmụọ ndị mmadụ n'ịchọ nlekọta ahụike mberede, dịka site na ịrịọ ka ndị ọrịa ngalaba ihe mberede kwụọ ụgwọ tupu ha anata ọgwụgwọ maka ọnọdụ ahụike mberede ma ọ bụ site n'ikenye mmemme ịnakọta ụgwọ na-egbochi nnabata, na-enweghị ịkpa ókè, nke nlekọta ahụike mberede. Nlekọta mberede ahụike, gụnyere nnyefe mberede, n'ịgbaso EMTALA, bụ ihe ana enye ndị ọrịa niile nke Bon Secours Mercy Health n'ọnọdụ enweghị ịkpa oke, n'ịgbaso iwu EMTALA kwa ulọ-ọgwụ.

Nlekọta tozuru HFA:

Iwu HFA nkea metutara ihe mberede niile na nlekọta ahụike ndị ozo dị mkpa nke ndị ulọ-ọgwụ ndị Bon Secours Mercy Health nke edepụtara na okpuru na enye, ya na ndị ozo na-enye nlekọta n'ihe mberede na nlekọta ahụike ndị ozo dị mkpa na ulọ-ọgwụ ndị Bon Secours Mercy Health. Nlekọta ndị dọkịta ndị Bon Secours Mercy Health nke ana ahụ ka ihe mberede ma ọ bụ ihe dị mkpa n'ogwụgwọ ọrịa dịka etu iwu HFA a siri kọwaa ya nke ana enye n'ebe abụghị ụlọ ọgwụ bụkwa ihe iwu so wee kpuchie.  Edepụtara ndị nlekọta n'akwụkwọ dị iche.  Ndị otu ọhaneze nwere ike ịnweta ya n'efu sitena ndesịta kọntaktị enyere na iwu a ya na Ịntanet na www.bsmhealth.org/financial-assistance, www.mercy.com/financial-assistance, and www.fa.bonsecours.com.

**Ekpuchighi nlekọta ndị a n'okpuru iwu HFA:**

- Ihe ndị a na-akpọ “adịghị mkpa n'ọgwụgwọ ọrịa”

<u>Mbụrụna gasị ntozu HFA:</u>

- Ụgwọ ọnwa
  - N'itinye akwụkwọ maka HFA, onye ọrịa ma ọ bụ onye ezinụlọ ya ka edejupụtarị mpempe akwụkwọ ntinye akwụkwọ tinyekwa mgbakọta ugwọ ọnwa nke oge na epekarịghị ọnwa 3 (ihe ruru ọnwa 12) tupu ụbọchị ntinye akwụkwọ ma ọ bụ ụbọchị nlekọta. Achọrọ nkwado nke ego a na ewezuga ndị ọrịa tozuru maka nchekwube ntozu nke akọwara n'okpuru. Hụ nkebi maka usoro ntinye akwụkwọ HFA n'okpuru maka nkọwa.
  - Achọghị nkwado ego ma ọ bụrụ na onye ọrịa ma ọ bụ onye otu ezinụlọ ya kwupụtara ọkwa ego mere ka onye ntinye akwụkwọ ahụ tozuo maka nlekọta ewepụrụ ego n'okpuru Ohio's Healthcare Assurance Program (HCAP).
  - Enwere ike iji akara ngosi ego nke onye nke atọ mee nnyocha ego n 'ọnọdụ ebe enweghi ike ịnweta nnyocha ego site na uzo ndi ozo.
- Ihe onwunwe
  - Enwere ọnọdụ ebe enwere ike ịbụ na ndị mmadụ emeghị nkwupụta maka ịkpata ego ma nwee akụ dị iche ha nwere iji kwụọ ụgwọ maka nlekọta ahụike. N'ọnọdụ ndị a, Bon Secours Mercy Health nwere ike inyocha ma chọọ nkwado akwụkwọ nke ihe onwunwe ọbụla enwere ike igbanye ka ego nke na-adịghị mkpa maka mmefu kwa ụbọchị.
- Ntụziaka ịda ogbenye nke gọọmenti etiti
  - Ntozu HFA gbadoro ukwu na ọkwa ego gbasara agbasa ruru 400% nke FPG ma nwekwaa ezi nkewa n'ahia. Nkwado gbadoro ukwu na ọnụ ọgụgụ ndị otu ezinụlọ, gụnyere ụmụaka amuru n'ezinụlọ na ndị ekutere ekute n'erubeghị afọ 18, na ego dị na ezinụlọ.
  - Ọ bụrụ na nwatakịrị nwee nkwarụ ma gafee afọ iri na asatọ, enwere ike ịgụnye ya na nhatanha ezinụlọ maka ntinye akwụkwọ HFA.
  - Ndị FPGs n'arụ ọrụ n'ụbọchị nlekọta dị irè n'usoro ntinye akwụkwọ. Ana enye ya kwa afọ na *Federal Register* site n'aka ndị **Ngalaba Health and Human Services** (HHS).
  - Ndị FPGs dị ugbu a na ndị gara aga dị na http://aspe.hhs.gov/poverty/index.cfm.
  - Ndị mmadụ nwere ọkwa ego ruru 200% FPG ma ọ bụ okpuru ya na-enweta nlekọta n'efu. Ndi mmadu nwere ọkwa ego sitere na 201% rue 300% FPG, na 301% rue 400% FPG, n'otu n'otu, na-enweta nlezianya ebepụrụ ego dabeere na ihe esere ese dị na okpuru. Mwepụ ego kpọmkwem maka 201%-300% FPG na 301% ruo 400% FPG ọkwa ego bụ ihe aga na-emelite kwa afọ. N'agbanyeghị pasent agbakọtara, dịka esiri dee n'elu, n'isonye mkpebi ntozu n'okpuru iwu a, onye ọrịa tozuru enyemaka nke ego agaghị akwụ ụgwọ karịa maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ nlekọta ahụike ndị ozo dị mkpa karịrị AGB.

| Bido na March 1, 2020 | | | | |
|---|---|---|---|---|
| **Mpaghara** | **0-200% FPG** | **201% - 300% FPG** | **301% - 400% FPG** | **Nwepụ ego ndị enweghị mkpuchi ahụike/ịkwụ ụgwọ onwe** |
| Kentucky | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 77% | Mgbanwe 77% | Mgbanwe 40% |
| Cincinnati | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 74% | Mgbanwe 74% | Mgbanwe 40% |
| Springfield | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 77% | Mgbanwe 77% | Mgbanwe 40% |
| Toledo | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 83% | Mgbanwe 83% | Mgbanwe 40% |
| Lorain | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 75% | Mgbanwe 75% | Mgbanwe 40% |
| Lima | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 76% | Mgbanwe 76% | Mgbanwe 40% |
| Youngstown | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 77% | Mgbanwe 77% | Mgbanwe 40% |
| Richmond | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 76% | Mgbanwe 76% | Mgbanwe 40% |
| Hampton | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 74% | Mgbanwe 74% | Mgbanwe 40% |
| Rappahannock | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 51% | Mgbanwe 51% | Mgbanwe 40% |
| South Carolina | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 81% | Mgbanwe 81% | Mgbanwe 40% |
| Southern VA – Emporia | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 88% | Mgbanwe 88% | Mgbanwe 40% |
| Southampton – Franklin VA | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 83% | Mgbanwe 83% | Mgbanwe 40% |
| Southside – Petersburg VA | Mgbanwe 100% | Mgbanwe 91% | Mgbanwe 91% | Mgbanwe 40% |

- ***Mgbanwe maka ndị ọrịa enweghị mkpuchi ahụike bụ ihe ana agbakọnye na nchịkọta ụgwọ niile, ma ana etinye mgbanwe ndị ọrịa nwere mkpuchi ahụike na ego ndị fọdụrụnụ.***

- Nwepụ ego nke ịkwụ ụgwọ onwe
  - Maka ndị ọrịa ahụ na-enweghị mkpuchi na-etozughi maka inweta enyemaka nke ego na mwepụ ego dịka esiri kọwaa ya na iwu a, ndị Bon Secours Mercy Health na-enye mwepụ ego akpaaka (kwụọ ụgwọ na onwe gị) na ụgwọ ụlọ ọgwụ ha dịka esiri dee n'elu. Mwepụ ego nke ịkwụ ụgwọ onwe a abughi ihe emere nlele, ya mere odighi n’okwu nke nkebi 501 (r) AGB chọrọ, ma Bon Secours Mercy Health akaghi ya aka dika ego enyemaka na mpempe akwụkwọ 990, Ihe omume H.

- N'otu Ogbe
  - Ndị ọrịa bi na obodo ndị ulọ-ọgwụ Bon Secours Mercy Health na-eleta ga-enweta enyemaka nke ego ahụike. Maka ndị ọrịa n'ebighi n'ime obodo a, ọnọdụ apụghị ime ihe ọ bụla bụ ihe aga edeturịrị ma nweta nkwado n'aka onye nduzi PFS ma dịkwa mkpa na ọnọdụ nlekọta ahụike ma ọ bụ nke mberede.

- Ndị ewepụrụ
  - Maka ndị ọrịa nwere ego fọdụrụnụ n'ikwu ụgwọ onwe ma emecha mkpuchi ahụike, ego fọdụrụnụ dị na ego aga ewepụrụ onye ọrịa ga-achọ ụgwọ gbadoro ukwu na ìgwè ọkpụkpụ nke ego ezinụlọ dịka esiri depụta ya na esere ese dị na nkebi ntụziaka ịda ogbenye nke gọọmenti etiti na iwu a
  - Mgbe enwetara ntinye akwụkwọ ahụ ebinyere aka, aga enyocha ihe ọmụma, nyochaa ego, ma kpebie maka ntozu. Aga eji ederede wee gwa onye ọrịa maka mkpebi a.
- Ntozu ebumnuche
  - Ana ebu n'uche na ndị ọrịa tozuru enyemaka nke ego sitena ọnọdụ ndụ mmadụ gụnyere ma ọ kwụsịghị na:
    - Ego ụgwọ ọnwa onye ọrịa erughị 200% Ntụziaka ịda ogbenye nke gọọmenti etiti ma hụ ya ka ịkwụ ụgwọ onwe;
    - Ahapụrụ onye ọrịa SNF;
    - Onye ọrịa anwụgo n'enweghị ụlọ ama ama ma o rughi 200% Ntụziaka ịda ogbenye nke gọọmenti etiti;
    - Mmemme ichekwa ego nke steeti;
    - Enweghị ebe obibi ma ọ bụ nweta nlekọta sitere n'ụlọ ọgwụ ndị na-enweghị ebe obibi;
    - Isonye na mmemme maka Ụmụ nwaanyị, Ụmụ ọhụrụ na Ụmụaka (WIC);
    - Ntozu inweta akwụkwọ eji eri nri;
    - Ntozu mmemme nri ehihie nke ụlọ akwụkwọ ebelatara;
    - Ntozu maka mmemme enyemaka steeti ma ọ bụ obodo nke enweghị nkwado (Immatụ, Nwepụta-ala Medicaid);
    - Ndị ọrịa a na-eziga site na National Association of Free Clinics;
    - Eji ụlọ obere ego/ụlọ ewepụrụ ego wee mee adreesị bara uru; ma ọ bụ
    - Ihe mgbochi ndị ọzọ dị.
  - Ndị ọrịa kpebiri ịnweta enyemaka nke ego ebumnuche ga-enweta enyemaka nke ego ruru 100%.
  - Ọ bụghị iwu na ndị ọrịa kpebiri ịnweta enyemaka nke ego ebumnuche ga-etozu mbụrụna gasị ego, mbụrụna gasị ntozu ihe onwunwe, ma ọ bụ depụta ntinye akwụkwọ enyemaka nke ego.
  - Bon Secours Mercy Health ga-eji ihe ndị dịnụ (Immatụ, ngwọta teknụzụ, ụlọ ọrụ ndị nleta, wee dịrị gaba) iji nweta ụdị ihe ọmụma ahụ dịka ebe nzere kredit iji nyee aka ikpebi ma ebu n'uche na onye ọrịa etozuru enyemaka nke ego.

- Mmekọta
    - Ndị ọrịa/ndị okwe nkwa ga emekọ ọnụ iji nye ihe ọmụma niile banyere ndị nke atọ gụnyere ụgbọala ma ọ bụ ihe ọmụma mberede nke okporo ụzọ ndị ọzọ, arịrịọ maka nhazi uru, ihe ọmụma dị na mbụ, ma ọ bụ ihe ọmụma ndị ọzọ dị mkpa maka iji ikpe were mgbarakwa, wee dịrị gaba.
    - Ka ana ahazi ntinye akwụkwọ, Bon Secours Mercy Health ga-arịọ ka ndị ọrịa nwere ike itozu Medicaid tinye akwụkwọ maka Medicaid. Iji nweta enyemaka nke ego ahụike, onye ọrịa ga etinyerịrị akwụkwọ maka Medicaid ma nweta ngọnahụ maka ihi ihe ndị ọzọ na-abụghị:
        - Etinyeghị akwụkwọ;
        - Esoghi usoro ntinye akwụkwọ ruo n'isi;
        - Enwetaghị ihe nnyocha achọrọ.
- Izi ezi nke ntinye akwụkwọ
    - Enwere ike ịgọnahụ enyemaka nke ego n'okpuru iwu HFA a ma ọ bụrụ na enwere ihe ana enyo enyo maka izi ezi nke ntinye akwụkwọ. Ọ bụrụ na onye ọrịa/onye okwe nkwa eweta akwụkwọ ndị achọrọ na/ma ọ bụ ihe ọmụma achọrọ iji mee ka ntinye akwụkwọ a doo anya, enwere ike ịtụleghachi arịrịọ enyemaka nke ego. Ntụleghachi ga-abụ ihe aga enyocha ma lebara anya kwa okwu kwa okwu.

<u>Usoro Ntinye-akwụkwọ maka HFA:</u>

- Ana ewepụta mpempe akwụkwọ ntinye akwụkwọ tupu nnabata, na nnabata/ndebanye aha, na ụfọdụ ebe ndebanye aha ndị ọzọ iji kwalite njirimara n'oge na mwepụta usoro ntinye akwụkwọ. Enwere ike ịnweta mpempe akwụkwọ ntinye akwụkwọ site n'ịkpọtụrụ Bon Secours Mercy Health dịka esiri dee ya na ndesịta kọntaktị dị na ngwụcha iwu a.
- Maka ndị ọrịa nọ na Maryland, iwu steeti chọrọ ka etinye akwụkwọ pụrụ iche maka enyemaka nke ego.  Enwere ike ịnweta mpempe akwụkwọ ntinye akwụkwọ na www.bsmhealth.org, www.fa.bonsecours.com ma ọ bụ site n'ịkpọtụrụ Bon Secours Mercy Health dịka esiri dee ya na ndesịta kọntaktị dị na ngwụcha iwu a.
- Bon Secours Mercy Health nwere ike ịnabata ido anya nke okwu ọnụ banyere ego, nhatanha ezinụlọ ma ọ bụ ihe ọmụma ndị ọzọ nwere ike iweta mgbagwoju anya na ntinye akwụkwọ.
- Aga anabata ntinye akwụkwọ akwadoro akwado ihe dịka mkpụrụ ụbọchị 240 site n'ụbọchị izizi enyere nlekọta, n'etinyeghị ụbọchị ndị gara aga nke nlekọta nke oge ntinye akwụkwọ mechiri emechi.
- Maka ndị ọrịa nọ na Ohio, Hospital Care Assurance Program (HCAP) chọrọ ntinye akwụkwọ edepụtara edejupụta maka:
    - Nnabata onye ọrịa n'ụlọ ọgwụ ọ gwụla ma akpọchigharịrị onye ọrịa ahụ n'ime mkpụrụ ụbọchị 45 ejiri hapụ ya maka ofu ọrịa ahụ bidoro ọnọdụ ya.

- Ntinye akwụkwọ ndị ọrịa na-abịa n'ụlọ ọgwụ akwadoro akwado dị irè mkpụrụ ụbọchị 90 sitere n'ụbọchị nlekọta ya.
- Ntinye akwụkwọ onye ọrịa anabatara n'ụlọ ọgwụ bụ ihe enwere ike iji kpuchie nlekọta ndị ọrịa na-abịa n'ụlọ ọgwụ maka onye ọrịa ahụ n'ime oge mkpụrụ ụbọchị 90 na eso ụbọchị mbụ anabatara onye ọrịa n'ụlọ ọgwụ.
- Oge ntinye akwụkwọ maka ntozu ụbọchị nlekọta HCAP bụ afọ 3 site n'ụbọchị mbụ enyere onye ọrịa ọkwa nleta ahụike, n'agbanyeghị ọnọdụ iji ụgwọ ya. Aga agọnarị ntinye akwụkwọ maka ntozu HCAP karịrị afọ 3 n'oge ntinye akwụkwọ ma ziga ọkwa ederede.

<u>Enyemaka nke ego maka ọnọdụ ọgbaghara :</u>

- Enyemaka nke ego maka ọnọdụ ọgbaghara dị n'okpuru iwu a.
- Enyemaka nke ego n'ọnọdụ ọgbaghara bụ mgbe onye ọrịa ji ụgwọ nlekọta ahụike ma ọ bụ nke ụlọ ọgwụ ka ndị atọ niile kwụchara ụgwọ karịrị 25% mgbakọta ego niile onye ọrịa nwere ma onye ọrịa ahụ enweghị ike ịkwunwu ụgwọ fọdụrụnụ.
- Iji bido usoro enyemaka nke ego, ị ga etinye akwụkwọ maka enyemaka nke ego. Hụ nkebi maka usoro ntinye akwụkwọ HFA n'elu.

<u>Ihe ndabere maka igbakọ ego anara ndị ọria:</u>

- Na isonye mkpebi ntozu n'okpuru iwu a, onye ọrịa tozuru enyemaka nke ego agaghị akwụ ụgwọ karịa maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ nlekọta ahụike ndị ozo dị mkpa karịrị AGB. Ọ pekata mpe kwa afọ, Bon Secours Mercy Health na-agbakọ pasent AGB kwa ulọ-ọgwụ Bon Secours Mercy Health na eso usoro Nleghachi azụ nke gbadoro ukwu na mgbarakwa anabatara na ụgwọ maka nlekọta nke Medicare na ndị mkpuchi ahụike niile nọrọ onwe ha nke na-akwụ ụgwọ mgbarakwa n'ụlọ ọgwụ n'ime oge ọnwa 12 (dịka ndị Treasury Regulations siri kọwaa ya n'okpuru nkebi 501(r) nke Koodu Internal Revenue nke 1986, dịka esiri dozie ya). Ndị otu ọhaneze nwere ike ịnweta pasent AGB dị ugbu a n'aka ụlọ ọgwụ Bon Secours Mercy Health (ya na nkọwa mgbakọ ya) n'ederede na n'efu site n'ịkpọtụrụ Bon Secours Mercy Health dịka esiri dee ya na ndesịta kọntaktị dị na ngwụcha iwu a ma ọ bụ na Ịntanet bụ <u>www.bsmhealth.org</u>, <u>www.mercy.com/financial-assistance</u>, na <u>www.fa.bonsecours.com</u>.
- Bon Secours Mercy Health anaghị agba ụgwọ ma ọ bụ eche ikwu ụgwọ niile eji n'aka ndị mmadụ tozuru enyemaka nke ego n'okpuru iwu a.
- Ọ pekata mpe kwa afọ, Bon Secours Mercy Health na enyocha ma megharịa ìgwè ọkpụkpụ mwepụ ego metụtara ndị ọrịa nwere ụgwọ ha ga-akwụ n'onwe ha ma emechaa nke mkpuchi (Hụ nkebi maka ihe mwepụ n'elu).
- Maka na iwu Maryland na iwu ụtụ isi nke ndị gọọmenti etiti na amachibido ego ole enwere ike ịnata ndị ọrịa, onye tozuru FAP ma ọ bụ onye enweghị mkpuchi ahụike agaghị akwụ ụgwọ karịa AGB pekarịcharanụ ma ọ bụ ego ndị Maryland Health Services Cost Review Commission wepụtara maka mberede ma ọ bụ nlekọta ahụike ndị ozo dị mkpa.

Ihe aga eme ma ọ bụrụ na akwụghị ụgwọ:

- Ihe ndị Bon Secours Mercy Health nwere ike ịme ma ọ bụrụ na akwụghị ụgwọ bụ ihe akọwara na iwu ***ịgba ụgwọ na nnakọ dị iche***. Ndị otu ọhaneze nwere ike ịnweta mpempe akwụkwọ iwu a dị iche n'efu n'aka Bon Secours Mercy Health PFS site n'ịkpọtụrụ Bon Secours Mercy Health dịka esiri dee ya na ndesịta kọntaktị dị na ngwụcha iwu a ma ọ bụ na Ịntanet bụ www.bsmhealth.org, www.mercy.com/financial-assistance, na www.fa.bonsecours.com.

Ihe ndị ana eme iji mee ka ọhaneze mara maka iwu HFA:

- Bon Secours Mercy Health na-eme iwu HFA a, mpempe akwụkwọ ntinye akwụkwọ, na Nchịkọta iwu a n'asụsụ nkịtị ka ọ dị na weebụsaịtị ha, ma wepụta ihe ndị ọzọ iji mee ka ọhaneze ha na ejere ozi mara maka iwu a.
- Ndị ụlọ ọgwụ Bon Secours Mercy Health na-enye ndị ọrịa mpempe akwụkwọ nchịkọta iwu HFA a n'asụsụ nkịtị dịka usoro nnabata; gụnye ọkwa ederede na nkwupụta ịgba ụgwọ nke na-agwa ndị nwetara ya maka ọdịdị enyemaka nke ego n'okpuru iwu HFA a; ma wepụta ngosi ọhaneze nke na-agwa ndị ọrịa maka iwu HFA n'ebe enwere ọgbakọ ọhaneze na ulọ-ọgwụ, gụnyere, ọpekata mpe, ime ụlọ maka mberede (ọ bụụ na ọ dị) na ebe nnabata.
- Bon Secours Mercy Health na-anabata igwe ndị mmadụ niile dị mkpa ndị nwere nsogbu n'isu asụsụ bekee site na ịsụghari asụsụ akwụkwọ iwu HFA a, mpempe akwụkwọ ntinye-akwụkwọ, na nchịkọta iwu a n'asụsụ mbụ ndị ìgwè mmadụ ahụ na-asụ.

***Ọkwa maka ndị bi na Ohio —Ohio Hospital Care Assurance Program (HCAP)*****:** Bon Secours Mercy Health na-enye, na-anaghị mmadụ ego, isi, nlekọta ahụike ụlọ ọgwụ dị mkpa nyere ndị bi na Ohio, na-abụghị ndị na-enweta Medicaid, na ndị ego ha nwere pekarịrị mmachi ịda ogbenye nke gọọmenti etiti. Nlekọta ana ekpuchi bụ nke ndị ọrịa nọ na ulọ-ọgwụ na ndị na-abịa abịa ekpuchiri n'okpuru Ohio Medicaid Program, ma ewezụga ọrụ mbufe akụkụ ahụ na ọrụ ndị ọzọ gbasara mbufe akụkụ ahụ. Ndị na-enweta enyemaka nke ego maka nkwarụ tozuru enyemaka. Obibi na Ohio pụtara mmadụ iji aka ya biri na Ohio ma anaghị enweta enyemaka ọhaneze na steeti ọzọ. Arịrịọ maka enyemaka nke ego maka ndị bi na Ohio na ebu ụzọ eje nhọcha na HCAP, wee nwee ike isonye na ihe iwu HFA a.

V. Nkọwa

- **AGB –** Ego ole a na-akwụ n'ụgwọ maka ihe mberede ma ọ bụ nlekọta ahụike ndị ọzọ dị mkpa nyere ndị nwere mkpuchi ahụike.
- **EMTALA –** Federal Emergency Medical Treatment and Active Labor Act.
- **FPG –** U.S. Ntụziaka Ngalaba nke Health & Human Services Federal Poverty.
- **HCAP –** Ohio Hospital Care Assurance Program.
- **HFA -** Enyemaka nke ego nlekọta ahụike.

- **PFS –** Ngalaba Patient Financial Services.
- **SNF –** Skilled Nursing Facility.

VI. Mgbakwunye

Nkebi ihe ọmụma kọntaktị Bon Secours Mercy Health

VII. Iwu ndị metụtaranụ

Bon Secours Mercy Health na-enye ohere ndị ọzọ maka ndị ọrịa na-enweghị mkpuchi ahụike ma ọ bụ ndị nke ha ezughi ezu ndị na-etozughi enyemaka nke ego n'okpuru iwu HFA a. Maka Ihe ọmụma ndị ọzọ, biko hụ iwu ndị Bon Secours Mercy Health a :

- Iwu Ịgba ụgwọ na Nnakọ nke Bon Secours Mercy Health
- Iwu Bon Secours Mercy Health maka ndị enweghị mkpuchi ahụike/ndị na-akwụ ụgwọ onwe ha

VIII. Njikwa Vashọn

| Vashọn | Ụbọchị | Nkọwa | Onye haziri ya |
|---|---|---|---|
| 1.0 | 11/25/2019 | Enyemaka nke ego nlekọta ahụike (HFA) | Ego / Travis Crum |

**Ihe ọmụma kọntaktị:**
Maka Ihe ọmụma ndị ọzọ, biko kpọturu Bon Secours Mercy Health dị ka ndị a maka **ụlọ ọgwụ Mercy Health**:

<table>
<tr><td>Weebụsaịtị</td><td colspan="2">www.bsmhealth.org/financial-assistance<br>www.mercy.com/financial-assistance</td></tr>
<tr><td>Ekwentị</td><td colspan="2">1-877-918-5400</td></tr>
<tr><td>Sitena Mailu</td><td colspan="2">11511 Reed Hartmann Highway<br>Blue Ash, Ohio 45241<br>Nleruanya: Public Benefits</td></tr>
<tr><td>N'onwe</td><td>Mercy Health - Anderson Hospital<br>7500 State Road<br>Cincinnati, OH  45255<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Clermont Hospital<br>3000 Hospital Drive<br>Batavia, Ohio 45103<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>BbMercy Health - Fairfield Hospital<br>3000 Mack Road<br>Fairfield, Ohio 45014<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>The Jewish Hospital - Mercy Health<br>4777 E. Galbraith Road<br>Cincinnati, Ohio 45236<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - West Hospital<br>3300 Mercy Health Blvd.,<br>Cincinnati, Ohio 45211<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Springfield Regional Medical Centre<br>100 Medical Center Drive (at West North St)<br>Springfield, Ohio, 45504<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Urbana Hospital<br>904 Scioto St,<br>Urbana, OH 43078<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - St. Rita's Medical Centre<br>730 W. Market St.  Lima, OH 45801<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Lourdes Hospital<br>1530 Lone Oak Rd<br>Paducah, KY  42003<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Marcum and Wallace Hospital<br>60 Mercy Court Irvine, KY 40336<br>Ngalaba:  Financial Counseling</td><td>Mercy Health - St. Anne Hospital<br>3404 W. Sylvania Avenue<br>Toledo, OH 43623<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Defiance Hospital<br>1404 E. Second Street<br>Defiance, OH 43512<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Tiffin Hospital<br>45 St. Lawrence Drive<br>Tiffin, OH 44883<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Children’s Hospital<br>2213 Cherry Street<br>Toledo, OH 43608<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Willard Hospital<br>1100 Neal Zick Rd.<br>Willard, OH 44890<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - St. Elizabeth Youngstown Hospital<br>1044 Belmont Ave.<br>Youngstown, OH 44501<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - St. Elizabeth Boardman Hospital<br>8401 Market St.<br>Boardman, OH 44512<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - St. Joseph Warren Hospital<br>667 Eastland Avenue<br>Warren, Ohio 44484<br>Ngalaba:  Financial Counseling<br>Mercy Health - Lorain Hospital<br>3700 Kolbe Rd.<br>Lorain, OH 44053<br>Ngalaba:  Financial Counseling</td></tr>
</table>

| | | |
|---|---|---|
| | **Mercy Health - St. Vincent Medical Centre**<br>2213 Cherry Street<br>Toledo, OH 43608<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Mercy Health - St. Charles Hospital**<br>2600 Navarre Avenue<br>Oregon, OH 43616<br>Ngalaba: Financial Counseling | **Mercy Health - Allen Hospital**<br>200 W. Lorain St.<br>Oberlin, Ohio 44074<br>Ngalaba: Financial Counseling |

**Ihe ọmụma:**
Maka Ihe ọmụma ndị ọzọ, biko kpọturu Bon Secours Mercy Health dị ka ndị a maka **ụlọ ọgwụ ndị Bon Secours**:

| | | |
|---|---|---|
| *Weebụsaịtị* | www.fa.bonsecours.com | |
| *Ekwentị* | 804-342-1500 (Local Richmond)<br>877-342-1500 | |
| *Sitena Mailu* | Atụmatụ enyemaka nke ego ndị Bon Secours<br>P.O. Box 742431<br>Atlanta GA 30374-2431 | |
| *N'onwe* | **Bon Secours St. Francis Medical Center**<br>13710 St. Francis Boulevard<br>Midlothian, VA 23114<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Bon Secours - Richmond Community Hospital**<br>1500 N. 28th Street<br>Richmond, VA 23223<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Bon Secours Memorial Regional Medical Center**<br>8260 Atlee Road<br>Mechanicsville, VA 23116<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Bon Secours St. Mary's Hospital**<br>5801 Bremo Road<br>Richmond, VA 23226<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Rappahannock General Hospital**<br>101 Harris Road<br>Kilmarnock, VA 22482<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Bon Secours DePaul Medical Center**<br>150 Kingsley Lane<br>Norfolk, VA 23505<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Bon Secours Our Lady of Bellefonte Hospital**<br>1000 St. Christopher Drive<br>Ashland, KY 41101<br>Ngalaba: Financial Counseling | **Bon Secours Hospital Baltimore**<br>2000 W Baltimore Street<br>Baltimore, MD 21223<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Bon Secours Mary Immaculate Hospital**<br>2 Bernadine Dr<br>Newport News, VA 23602<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Bon Secours Maryview Medical Center**<br>3636 High Street<br>Portsmouth, VA 23707<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**Bon Secours Health Center at Harbour View**<br>5818 Harbour View Boulevard<br>Suffolk, VA 23435<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**St. Francis Downtown**<br>One St. Francis Drive<br>Greenville, SC 29601<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**St. Francis Eastside**<br>125 Commonwealth Drive<br>Greenville, SC 29615<br>Ngalaba: Financial Counseling<br>**St. Francis Millennium**<br>2 Innovation Drive<br>Greenville, SC 29607<br>Ngalaba: Financial Counseling |

**Ihe ọmụma:**
Maka Ihe ọmụma ndị ọzọ, biko kpọturu Bon Secours Mercy Health dị ka ndị a maka **ụlọ ọgwụ ndị Southern Virginia**:

| | | |
|---|---|---|
| *Weebụsaịtị* | www.bsmhealth.org/financial-assistance<br>www.fa.bonsecours.com | |
| *Ekwentị* | 800-430-3762 | |
| *Sitena Mailu* | Atụmatụ enyemaka nke ego ndị Bon Secours<br>1605 Valley Center Parkway, Suite 180<br>Bethlehem, PA 18017 | |
| *N'onwe* | **Bon Secours Mercy Health Petersburg LLC***<br>**(Amabu ya na mbụ dịka Southside Regional Medical Center)**<br>200 Medical Park Blvd<br>Petersburg, VA 23805<br>**Bon Secours Mercy Health Emporia LLC***<br>**(Amabu ya na mbụ dịka Southern Virginia Regional Medical Center)**<br>727 N Main Street<br>Emporia, VA 23847<br>**Bon Secours Mercy Health Franklin LLC**<br>**(Amabu ya na mbụ dịka Southampton Memorial Hospital)**<br>100 Fairview Drive<br>Franklin, VA 23851 | |